# NDỤMỌDỤ NKE OTÙ DIKE OCHIE N'AGHA NYE OTÙ NWAOKORO BỤONYEAGHA

**II Timọti 3:14-17; 4:1-8; I Timọti 6:11, 12.**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 416**

**Nke Ndị okenye**

**AMAOKWUIBUN'ISI: "Nāgbasi ngba ọma nke okwukwe ike, jide ndu ebigh-ebi aka, nke akọrọ gi ka ị nata ya, I kwuputa-kwa-ra nkwuputa ọma ahụ n'iru ọtutu bdi-àmà" ( I Timọti 6:12).**

**I. Mkpalimmụọ nke Iheedere n'akwụkwọnsọ**

1. Agbara Timọti ume ịnọgidesi ike nime ihe niile nke ọ mụ̀taworo, II Timọti 3:14.
2. Ihe niile edeworo n'Akwụkwọ-nsọ pụrụ ime ka mmadụ bụrụ onye maara ihe rue nzọpụta site n'okwukwe, II Timọti 3:15.
3. Ihe niile nke edeworo n'Akwụkwọ-nsọ bụ ihe sitere ná mkpali nke Mmụọ Chineke, bụrụ kwa ihe barauru, II Timọti 3:16,17.

**II. Iwu nke Dị okémkpa**

1. Anaennye Timọti iwu n'iru Chineke na Jisọs Kraist ikwusa Okwu ahụ, II Timọti 4:1,2.
2. Oge naabịa mgbe ụmụmmadụ naagaghị anagide ezi ozizi ahụ, II Timọti 4:3,4.
3. Anaenye Timọti agbamume ka o jezue ozi ya, II Timọti 4:4; I Timọti 6:11,12.

**III. Okpueze ahụ nke Naechere**

1. "Oge ulam eruwo kwa," II Timọti 4:6.
2. "Agbasiwom ngba ọma ahụ," II Timọti 4:7.
3. "Nke foduru bu na edebeworom okpu-eze nke ezi omume ahu," ma ọ bụghị "nání mu onwem," II Timọti 4:8.

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

Lee ụdị okwu mkpaliobi ndịa nke dị n'ebe ọgụgụ anyi! Dike ochie ahụ n'agha bụ́ Pọl Onyeozi nyere Timọti bụ́ onyeozi ahụ nke bụ nwaokorobịa ndụmọdụ ikpeazụ n'ihi ụla ya, onye kanwere ohere nke ọdịn'iru. Onyeozi ahụ, n'onweya, amaliteworị ijeozi ya nke OnyeKraist, mgbe ọ bụ nọọ nwaokorobịa, naenye arọ niile nke fọdụrụ ná ndụ ya n'ikwusa Oziọma nke Onyenweanyi Jisọs Kraist. Iheegwu dị icheiche, iheisiike dị icheiche, ọtụtụ mkpagbu, ahụhụ dị icheiche bụ ihe o zutere n'oge ijeozi ya niile, ma n'ikpeazụ atụrụ ya mkpọrọ, n'ebe ahụ ka ọ nọ kwa naechere ogbugbu ya n'ihi okwukwe ya. Pọl egosipụtaghị olileanya ọ bụla na ịbụ onyeagha nke Kraist gaadịrị Timọti nfe. N'ile ya anya ọ bụghị ihe dị nfe n'anụarụ nye otù nime ndịa nke naanọchi ọnọdụ Pọl, ma onye ọ bụla nke naamalite ijere Onyenweanyi ozi aghaghị ịbụ onye nọ nime mmụọ. Ọ ghaghị ịdị naelekwasị anya n'Eluigwe, ọ Úghị n'ụwa.

OnyeKraist ahụ naabanye n'ọgbọagha, ọ bụghị n'ọlụaka; ọ gaje ịbụ onyeagha, ọ bụghị onye ọlụnka; ọ gaje ịnagide iheisiike dị icheiche, ọ bụghị ịnọdụ naenweghị nsogbu; ndụ ya gaabụ nke ijụonweonye, ọ bụghị ndụ nke ime ihe gaamasị anụarụ. Onyeozi ahụ nke bụ dike ochie n'agha pụrụ ịchịkọta ndụ ya nime okwu ndịa: "Agbasiwom ngba ọma ahu, agbasiwom ọsọ ahu, edebesiwom okwukwe ahu" Ọ pụrụ ilepụ anya n'iru hụ ezi ụgwọọlụ naenwu enwu nke anaapụghị kwa inwe obiabụa banyere ya n'Eluigwe, nke mere na okwu niile ọ naagwa Timọti (nke dịkwara anyi taa) bụ nke ịgbaume na iwuli mmụọ elu site n'ụzọ nke ihemmụọ.

**Mkpalimmụọ**

Nwaokorobịa ahụ bú Timọti nwere iruọma n'ihi na amalitere mgbe ọ dị na nwata kuziere ya urù na eziokwu nke Iheedeworo n'Akwụkwọ-nsọ, nke pụrụ ime mmadụ ka ọ bụrụ onye amamihe rue ịnata nzọpụta site n'okwukwe nke ekwere na Kraist Jisọs.

Ntụgharịokwu Baibụl nke Eze Jemes nyer ikike ka atụgharịa, nke anyi naagụ ma nabatakwa naasị: "Ihe ọ bụla edeworo n'Akwụkwọ Nsọ bụ ihe si n'obi Chineke puta." Ntụgharịokwu Baibụl nke ndị Amerika tụgharịrị, bụ́ nke anyi naapụghị ịnabata maọbụ ịsị ndị ọzọ gụa, naasị, "Ihe ọ bụla edeworo n'Akwụkwọ Nsọ Chineke kpaliri, . . . " naarapụ mkpụrụokwu ahụ "bụ." Nka naeweta obiabụa na ụfọdụ iheedeworo n'Akwụkwọ-nsọ esighi n'obi Chineke pụta. Ọtụtụ mmadụ gaachọ ka anyi kwere na ụfọdụ Iheedeworo n'Akwụkwọ-nsọ esighi n'obi Chineke pụta; ma ọ bụrụ na ajụjụ apụta nke naekwu na ihe ụfọdụ nime iheedeworo n'Akwụkwọ na ha esiteghi n'obi Chineke pụta, ònye pụrụ ikọwa nke sitere n'obi Chineke maọbụ nke naesiteghi? Anyi pụrụ iwere n'ezie Ntụgharịokwu Baibụl nke Eze Jemes dịka ndepụta ya niile si dị ma naekwere na ọ bụ Okwu nke si n'obi Chineke pụta. Nime nke ahụ anyi naanọ naenweghị nsogbu na nime odudoanya. Ọ bụ ọlụ dịrị anyi iwere Chineke dịka Okwu Ya si dị.

"Ihe ọ bula edeworo n'Akwukwọ Nsọ bu ihe si n'obi Chineke pụta ọ ba-kwa-ra urù iji zí ihe, na iji tu madu nmehie-ha n'anya, na iji me ka uche madu guzozie, na iji zuputa nzuputa nke di n'ezi omume." Okwu ndị ahụ bụ eziokwu. Ịkwaụta adịghị n'ebe ahụ. Nkwenye siriike naegosi iheodide nke Mmụọ Nsọ kpalitere. Okwu Chineke karịrị ihe niile nye anyi. Ọ bụ ya bụ ike mkpebi okwu niile, ulo-ikpe ikpeazụ nke mkpeghariikpe niile. Ọ bụrụ na anyi nwere nsogbu nime maọbụ n'ezi, anyi pụrụ ijekuru Okwu Chineke wee nweta ogbugbo nye nsogbu ndịa naagbanyeghi ụdị nsogbu ọ bụ. Ihe ọ bụla edeworo n'Akwụkwọ-nsọ dị mkpa iji mee ka anyi zueokè ịlụ ezi ọlụ niile ọ bụla.

### Ịnọgide Nime Oziọma

Ndụmọdụ ahụ nke enyere Timọti naasị, "Nọgide nime ihe nile ị mutara, nke emekwara ka ị kwere ha." Ọ̀ bụ nke ahụ adịrịghị anyi taa? N'ezie ọ dịrị anyi. Gịnị ka Okwu Chineke naakụzi gịnị bụ kwa iheọ̀mụ̀mụ̀ nke anaamụta nime Oziọma? Anyi amụtawo ihe banyere ịdịọcha na ike nke eziokwu ebighiebi nke Chineke. Anyi amụtawo mkpa ọ dị na anyi agaghị ekwenye ka anyi nwee mmekọrịta ọ bụla n'ebe mmehie nke ụwa nka dị, maọbụ isi n'eziokwu nke Chineke pụa. Anyi amụtawo kwa inwe izuokè nke imemmụọ ya na nrubeisi nke imemmụọ. Anyi amụtawo ikwesị ntụkwasịobi nye isi ihe ahụ na ebumn'uche ahụ nke anyi jigidesiri ike mgbe anyi jiri obi anyi na ndụ anyi nyefee naka Chineke. Nánị ịmụ na ịmata Iheedere n'Akwụkwọ-nsọ ezughị; kama ọ bụrụ na mmadụ gaanata ụgwọọlụ ikpeazụ ahụ, onye ahụ aghaghị ịnọgidesiike nime ma naeme kwa ihe ndị ahụ nke ọ mụtaworo ma nwapụta kwa.

### Maịl Ikpeazụ ahụ

Pọl naabịaru n'ọgwụgwụ nke ije ya. Amaokwu dị icheiche nke iheọ̀mụ̀mụ̀ anyi so n'okwu ikpeazụ ya nke edepụtara edepụta. O nweghị ịkwaụta n'ihi nrubeisi na ikwesị ntụkwasịobi ya nye eziokwu ahụ nke ekpugheere obi ya mgbe o zutere Kraist n'ụzọ ijeru Damaskọs. N'oge ahụ ọ bụ nwaokorobịa. Ugbua ọ bụ Pọl nke meworo okenye. Ọ lụwo ọtụtụ agha, o nwewo ntachiobi nime ọtụtụ mkpagbu. Ọ pụrụ ịsị Timọti, "Huju anya" (maọbụ nagide ọtụtụ mkpagbu). Timọti pụrụ ileanya izute iheisiike dị icheiche; ahụhụ pụrụ ịbịa n'ụzọ ya; ọ ghaghị inwe ọtụtụ ndịiro. "E, agēsogbu kwa ndi nile ndi nāchọ idi ndu n'uzọ isọpuru Chineke nime Kraist Jisọs" ( II Timọti 3:12). Ọtụtụ nime mkpagbu nke Pọl nwere sitere n'aka ndị kpọrọ onweha ndị naasọpụrụ Chineke. Ọ hụrụ ahụhụ n'aka ụmụnna ugha. Ma ọ sịrị, "anāwusim ugbu a dika àjà-ihe-ọñuñu, . . . Agbasiwom ngba ọma ahụ." Agaje ịwupụ ya n'ezie dịka àjà-ihe-ọñụñụ. O ji ọbara nke ya onweya kaa ọgbụgbaàmà ya akàrà. O nwetawo okpueze ahụ nke ọ naekwu ihe banyere ya, na Onyenweanyi gaenye ndị niile hụrụ Ya n'anya.

"Agbasiwom ọsọ ahu, edebesiwom okwukwe ahu." Nke ahụ bụ ihenzuzo nke mmeri nke NdịKraist naenwe nime ụwa nka, naagbanyeghi ihe ọ naefu ha. Eluigwe dị ọnụala n'ọnụahịa ọ bụla. Ọ bụrụ na anyi gaaba n'Eluigwe, anyi aghaghị idebezu okwukwe ahụ. Anyi aghaghị ịnọgide n'igan'iru inweta ihe anaagbata n'ọsọ nke ọkpụkpọ dị elu nke Chineke nime Kraist Jisọs. Nka bụ agha anaebu site ná mmalite rue n'ọgwụgwụ, Pọl sịrị na ọ bụ "ngba ọma." Ọ bụ mgba ọma nye Pọl n'ihi na o mere ka okwukwe ahụ enyere ndịnsọ n'aka nánị otù mgbe idebe dịnso n'obi ya ma bụrụ kwa ihe okeọnụ ahịa n'obi ya.

**Mgba nke Okwukwe**

Ezi OnyeKraist ọ bụla bụ ezi onyeagha. Eziokwu ahụ nke bụ na Okwu ahụ naasị "Nāgba mgba" naegosi na ọ dị ihe naeguzogide; ọ dị ihe naemegide nke agaeguzogide, onyeiro dị kwa. Onyeiro anyi abụghị anụarụ na ọbara, kama dịka Okwu Chineke naagwa anyi, ọ bụ onyeisi nke ike nke mbara eluigwe -- ekwensu ahụ.

"Jide ndu ebighiebi aka." Gịnị bụ ndụ ebighiebi? "Nka bu ndu ebighiebi ahu ka ha mara Gi, Nke nánị Gi bu ezi Chineke, mara kwa Onye I zitere, bú Jisọs Kraist" (Jọn 17:3). Ị̀ maara Chineke? Nanị otù ụzọ dị iji mara Chineke: "Nime nka ka anyi ma-kwa-ra na ayi amawo Ya, ma ọ buru na ayi edebe ihe nile Ọ nyere n'iwu" (I Jọn 2:3). Ya mere ọ dịghị onye ọ bụla pụrụ ima Chineke ma ọ bụrụ na ọ dịghị edebe ihe Chineke nyere n'iwu. Nke ahụ apụtaghị nánị otù iwu -- nke ahụ pụtara idebe ha **niile** Ọ pụrụ iju ụfọdụ anya otú ọ gaesi dị nfe idebe iwu niile nke Chineke. Baibụl naasị: "I gēwere obi-gi dum, were kwa nkpuru-obi-gi dum, were kwa uche-gi dum, hu Onye-nwe-ayi Chineke-gi n'anya. Nka bu ihe uku na ihe mbu enyere n'iwu. Ihe nke abua nke yiri ya bu nka, I gǹu onye-agbata-obi-gi n'anya dika onwe-gi" (Matiu 22:37-40). "Iwu dum, na ndi-amuma Chineke, nēkokwasi n'ihe abua ndia enyer n'iwu," ka Jisọs sịrị.

Nka bụ mgba ọma! Ị ghaghị ịbụ ezi onyeagha, ma ọ bụghị otú a ị pụghị ịgba mgba ọma. Ọ sịkwara, "Huju anya." Ọ bụrụ na ị naeche na agaebugo gị n'Eluigwe n'elu ihendina dị bịalịbịalị naenweghị nsogbu ọ bụla, ị naehie ụzọ. Ọ naewe ihe niile ị nwere, tụkwasị kwa n'elu ya amara Chineke, ịbụ OnyeKraist! Chineke naekwu na ọ bụghị ndị nwere ụkwụọsọ ka ọsọ ahụ dịrị, ọ bụghị kwa ndị dị ike ka agha ahụ dịrị. Ị gaghị abụ onye dị ike -- ịdị ike nke anụarụ -- tupu ị wee bụrụ ezi onyeagha nke Kraist. Ọ bụghị kwa site n'ibu onye naagbasi ọsọ ike n'anụarụ ka ị gaeji merie n'ọsọ a.

**Ọlụ nke Dịrị Onyeozi**

Ezi ndịozi niile nke Oziọma na ekwusa ozizi ahụ n'ịdịọcha ya, na n'ike ya na n'ozùzùokè ya niile. Ndụmọdụ ahụ dị nsọ nke Pọl nye Timọti, "Kwusa Okwu-Ya," abụghị nánị Timọti ka ọ dịrị. Ndụmọdụ ahụ nke dị mkpa dịkwara onyeozi ọ bụla nke Oziọma ahụ.

Eleghịanya mmadụ nwere ike ghara ịbụ onyenkwusa n'ụdị nke ikwu okwu Chineke n'elu pulpit, kama ezi OnyeKraist ọ bụla bụ onyeozi n'ihi na ọ bụ onye naeso ụzọ Onye Nazaret ahụ dị umeala n'obi. Ndụ nke ọ naebi gaekwusa ezi ihe maọbụ ihe ọjọ megide okpukpe nke NdịKraist. Ndụ nke mmadụ naebi na ozizi ahụ kwesịrị ịdị naadakọta n'iheọ̀tụ̀tụ̀ nke eziokwu ahụ dị na Baibụl.

Na II Timọti 4:2, anyi naagụ ihe niile bụ ọlụ nke dịrị onye nkwusa. Ọ ga naekwupụta àkụ̀ nke Kraist nke anaenweghi ike igwupụtasị omimi ya. Ọ gaekwusa akụkụ nke Okwu ahụ nke naagba ume, naewuli mmụọ, ma naakpali kwa ịnụọkụ n'obi; ọ ghaghị kwa ikwusa akụkụ ahụ nke naagba mmehie ọtọ, aghụghọ nke iruabụa, na nduhie nke dị ná ndụ ụmụmmadụ. Onyeozi ahụ wee kwukwasi kwa, "N'ihi na oge gādi mgbe ha agagh-anagide ozizi ahu nke nēnye ezi ndu." Ọ dịwo oge ọ bụla mgbe emezuru akụkụ a nke ịheedeworo n'Akwụkwọ Nsọ karịa otú ọ dị taa?

**Oge nke Kwesịrịekwesị**

"Tukwasi uche n'ọlu-gi n'oge kwesiri, ma-ọbu n'oge nēkwesigh." Pọl Onyeozi ahụ jiri ohere niile na oge ọ bụla dapụtaara ya wee kwusaa Oziọma ahụ ma nye kwa ihe ịgbaàmà nke okwukwe ya nime Kraist Jisọs. Naarụghị ụka, àkọ́ na amamihe dị mkpa dịka ịnụọkụ n'obi, ma otù oge nke gaadị ka "oge nēkwesigh" nye ụfọdụ mmadụ nwere ike bụrụ "oge kwesiri," n'ebe Chineke nọ. Filiks nụrụ okwu Pọl banyere okwukwe ahụ nime Kraist. Filiks mara jiji wee za sị, "Ga nke gi n'oge a; mgbe mnwere oge mgākpọ kwa gi" (Ọlu Ndi-ozi 24:25). "Ezi oge" nke Chineke bụ ugbu a: "Le, ugbu a bu oge anānara madu nke-ọma; le ugbu a bu ubọchi nzọputa" (II Ndi Kọrint 6:2). Ọ gaabà úrù karịa ma ọ bụrụ na NdịKraist ga naekwupụta oziọma nke nzọpụta ha mgbe niile.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Gịnị ka Timọti gaeji Iheedeworo n'Akwụkwọ nsọ nke ọ mụtaworo mee?
2. Òlee mgbe Timọti mụtara Iheedeworo n'Akwụkwọ Nsọ?
3. Gịnị bụ Iheedeworo n'Akwụkwọ Nsọ nke bụ ihe si n'obi

Chineke pụta?

4. Kpọọ ma ọ dịkarịa nta ihe anọ nke mere Iheedeworo n'Akwụkwọ ji bụrụ ihe bara úrù.
5. Gịnị naeme ndị ahụ naagaghị anagide ezi ozizi ahụ nke naenye ndụ?
6. Èlere anya na ibindụ nke OnyeKraist nke Timọti gaadị nfe maọbụ gaesi ike?
7. Òlee otù Pọl Onyeozi ji gụkọta ndụ ya ọnụ?
8. Gịnị bụ ihe edebewooro Pọl? Ùnye naenye ụgwọọlụ a?
9. Òlee ndị gaanata ụdị ụgwọọlụ dị otù a?